# KRAIST ONYE NÁÁNỊ́ YA BỤ NTỌALA AHỤ

**I Ndi Kọrint 1:10-17; 3:1-23.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 390**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ digh onye ọ bula puru itọ ntọ-ala ọzọ ma-ọbugh Nke atọworo, Nke bu Jisọs Kraist" (I Ndi Kọlọsi 3:11).**

**I Ụmụ ọhụụ nime Kraist**

1 Onyeozi ahụ kpọrọ ụfọdụ Ndị nke Kraist nọ na Kọrint ụmụ ọhụụ nime Kraist, I Ndi Kọrint 3:1, 2; Ndi Efesọs 4:14.

2. Esemokwu, ọchịchọ nke anụarụ, na nkewa ka amaraikpé ná ndụ nke ndị ahụ gaabụ Ndị nke Kraist, I Ndị Kọrint 1:10-17; 3:3, 4.

**II Ọlụ Nke Onyeozi**

1. Ịkụmkpụrụ na ịkwọsammiri bụ ọlụ nke onyeozi, ma ọ bụ Chineke naeme ka ọ náabaụba, I Ndi Kọrint 3:5-7; Abù Ọma 126:5, 6

2. Ezi ndịozi nke Chineke naemekọ ihe niile n'otùobi, I Ndi Kọrint 3:8, 9; Ndi Rom 12:5.

**III Ụlọ Nke Chineke Naewu**

1. Onye nke Kraist naewu n'elu Kraist, nke bụ́ ntọala nke Oziọma ahụ, I Ndi Kọrint 3:10, 11; Aisaia 28:16; 2Timọti 2:19.

2. Ụfọdụ naeji iheọlụ dịmma náewu; ma ndịọzọ naenwe afọojuju n'ihi iheọlụ náadịghị mma náewu, I Ndi Kọrint 3:12; Nkpughe 3:18.

3. Ọkụ ganwa kwa ọlụ mmadụ niile n'otù n'otù, I Ndi Kọrint 3:13-15; Ndi Hibru 12:27.

**IV Ụlọnsọ niile nke Chineke**

1 Ndị agbapụtaworo naabụ ụlọnsọ nke Chineke, ụlọnsọ nke Chineke ahụ kwa aghaghị ịbụ ihe anaemerụghịemerụ, I Ndi Kọrint 3:16, 17; 2 Ndi Kọrint 6:16-18.

2 "Amamihe nke uwa" enweghị ọnọdụ ọ bụla nime ụlọnsọ nke Chineke, I Ndi Kọrint 3:18-20; Jemes 3:14-18.

3 Ndị niile agbapụtara bụ nke Kraist, Kraist bụ kwa nke Chineke, I Ndi Kọrint 3:21-23; Ndi Rom 14:8.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Onyeozi ahụ ejiwo ịnụọkụn'obi lụsie ọlụ ike ogologo oge nime obodo nke Kọrint. Onyenweanyị OnweYa agwawo Pọl nime ọ́hụ̀ na ọtụtụ mmadụ dị n'obodo ahụ, bụ ndị agaeritara Oziọma n'urù. Ezutere nguzogide dị ukwu, nke ka nke, site n'ebe ndị Juu nọ, bụ́ ndị náagbasịmgba ike idebe ụzọ na omen'ala nke onweha, ma Okwu Chineke meriri, otú ọ dị ewee mụbata ọtụtụ mkpụrụobi nime Alaeze Eluigwe.

N'oge náadịghị anya mgbe Pọl rapụsịrị nzukọ Kraist nke dị na Kọrint ozi malitere ịbịara ya na ihe niile adịghị aga nkeọma nime nzukọ ahụ. Otù nime isi ihe dị icheiche nke wetara nsogbu ahụ bụ na enwere ndị ụfọdụ n'etiti ha bụ́ ndị kewara n'òtù dị icheiche, òtù ọ bụla wee náarọrọ otù onye nime ndịisi nke nzukọ Kraist dịka onyeisi ha. Pọl Onyeozi kwuruokwu megide ọnọdụ dị otú a, site n'ikwu sị, "Èkèwo Kraist èkè?" Jisọs kwukwara okwu banyere nkewa: "Ala-eze ọ bula nke kewara megide onwe-ya, anēme ya ka ọ tọgbọrọ n'efu; obodo ma-ọbu èzí-na-ulọ ọ bula nke kewa-kwa-ra megide onwe-ya agagh-eguzo" (Matiu 12:25). Ezi ịhụn'anya nke Chineke na egbochi ndọrọndọrọ, nkewa, na ngosipụta nke ọchịchọ nke anụarụ nime obi na ndụ nke ndị ahụ bụ́ ezi Ndị nke Kraist.

### Mpako bụ Iheárụ̀

Ihe wetara ọnọdụ nke ndọrọndọrọ a nime nzukọ nke dị na Kọrint sitere ná mpako na ọchịchọ nke anụarụ nke dị nime obi ụfọdụ. "Nání na nganga ka ilu-ọ̀gù nāpụta" (Ilu 13:10). Baịbụl ekwubiwo na mpako

enweghị ọnọdụ ọ bụla nime obi nke ndị náefè Chineke: “Ihe isii di nke JEHOVA kpọrọ asì, E, ihe asa di nke bú ihe-árù nke nkpuru-obi Ya: …” Ilu 6:16, 17). “Ihe nile nke di n’uwa, bú agu ihe ọjọ nke anu-aru, na agu ihe ọjọ nke anya, na oké-okwu nke ibi-obi, esitegh ná Nna-ayi, kama o sitere n’uwa” (I Jọn 2:16).

Ọchịchọ nke anụarụ malitere nime Ogige Iden. Njọ nke ekereụwa batara nime obi mmadụ mgbe nna anyị ochie ha nupụrụisi n’iwu nke Chineke. Ha siri n’okpuru ike na ọchịchị nke Chineke pụta wee bànye n’okpuru ọchịchị nke Ekwensu. Site n’inupụrụ Chineke isi na irubere Ekwensu isi ha wee ghọọ ndị yikwasịrị oyiyi nke mmehie. Ha tụfuru ụdị nke ịdịnsọ, wee si n’ime eziihe baa n’ọnọdụ nke anụarụ.

**Mkpà nke Odudonsọ Dị**

N’oge náadịghịanya, mkpọrọọgwụ nke mmehie ahụ náarụgide mmadụ ọ bụla ime ụdị mmehie dị icheiche. Mgbe ọ bụla mmadụ chègharịrị site ná mmehie ya niile, wee chigharịkwute Chineke anaagbaghara ya mmehie ndị ahụ niile. Ma mkpọrọọgwụ nke mmehie ahụ bụ́ nke amụrụ ya nime ya ka náadịgide n’obi onye ahụ, nke o ketara site n’aka nnenanna ya ochie. Chineke emewo ụzọ, site n’inye Ọkpara Ya, ka ewee doo onye nke azọpụtara nsọ site n’ọlụ amara nke abụọ ahụ nke anaalụ nime obi ahụ otù mgbe, ma ropụ kwa mkpọrọọgwụ nke mmehie ahụ. N’ihi nke a, ọ dị mkpà ịchọ odudonsọ.

“Onye ọ bụla nke amuworo site na Chineke adịgheme nmehie” (I Jọn 3:9), ma otú ọ dị, ọtụtụ ihemgbochi na ihe dị icheiche nke náakpali agụụ iheọjọọ náadị nime obi nke náeweta nsogbu na ahụhụ nke imemmụọ. Onye ahụ nke azọpụtaworo gaenwe ọtụtụ mgbe mmetụta nke ịgbakwuru Chineke n’ekpere -- ọ bụghị n’ihi na o mere mmehie, kama ọ dị ọchịchọ nke náadị n’obi ahụ ịnwapụta iheomimi nke dị nime Chineke -- ịbụ onye edoro nsọ ma chọta kwa nime Chineke izuike ahụ zuruòkè nke mkpụrụobi. Ọ bụrụ na eburughị ihe -- mgbochi niile ndịa na ihe ahụ dị icheiche nke náakpali agụụ iheọjọọ nke dị n’obi onye ahụ azọpụtara jekwuru Chineke n’ekpere ma chọọ kwa ụzọ nke nnapụta, iheegwù dị ukwu dị nke na ha gaetolite kwa wee malite ọzọ ịchị onye ahụ. Nke dị ka ọ bụ ọnọdụ nke ndị ahụ emere ka ha chègharịa ma bụrụ kwa ndị òtù Kraist na Kọrint nọ nime ya. Ha agaghị n’iru ka ha wee zueòkè, kama ha daghachiriazụ nime mmehie.

**Náenweghị Ntụpọ**

Nime akwụkwọozi nke edegaara ndị Efesọs, Onyeozi ahụ sịrị: “Ndị bu di, hunu nwunye-unu n’anya, dika Kraist-ayi hu-kwa-ra nzuko-Ya n’anya, rara kwa Onwe-Ya nye n’ihi ya; ka o we do ya nsọ, mgbe Ọ mesiri ka ọ di ọcha site n’ọsisa miri n’okwu Chineke, ka Ya onwe-Ya we che nzukọ ahu n’iru Onwe-ya dika ihe di ebube, nēnwegh ntupọ ma-ọbu iru-ndolị ma-ọbu ihe ọ bula n’ihe di otú a; kama ka o we di nsọ buru kwa ihe anāpugh ita uta” (Ndi Efesọs 5:25-27). N’ịrụtụaka ná mmehie ahụ nke dị nime ndụ nke dị nime ndụ nke ụfọdụ ná ndị Kọrint ndịa, Mmụọ Nsọ, site n’aka Pọl, naachọ iwerute ndịa n’ịdịelu nke amara nke Ndị Kraist. Nzube ahụ siriike nke echère n’iru ha bụ ka nzukọ ha bụrụ kwa nke náenweghị ntụpọ maọbụ irundọlị.

**Ịdị nsọ na Ịdị n’otù**

Dịka emeworo ka ọ pụta ìhè, ọnọdụ nke nnwapụta a adịghị esite ná mgbalị nke onye ọ bụla ime onwe ya ka ọ dị nsọ mọbụ iduzi échìchè ya n’ụzọ dị elu. Anaalụpụta ịdịnsọ n’obi site n’Ọbara nke Mkpuchi mmehie ahụ. Baịbụl mekwara ka ọ pụta ìhè na odudonsọ adịrịghị onye mmehie. Odudonsọ nke ndị naesoụzọ Ya, ndị mesịrị wee bụrụ ntọala maọbụ mmalite nke Nzukọ Kraist, O kpere sị: “Mu onwem nēkpe ekpere banyere ha: ọ bugh uwa ka M’nēkpe ekpere banyere ya, kama anamēkpe ekpere banyere ndi I nyeworom; n’ihi na ha bu nke Gi. … Ha esitegh n’uwa, dika Mu onwem nēsitegh n’uwa. Were eziokwu do ha nsọ: okwu-Gi bu ezi-okwu. … Ka ha nile we buru out; dika Gi onwe-gi di nimem, dika Mu onwe di kwa nime Gi, Nna, ka ha onwe-ha we di kwa nime Ayi: ka uwa we kwere na Gi onwe-gi zitere” (Jọn 17:9, 16, 17, 21).

Chineke zara ekpere a nke Jisọs kpere, dịka Ọ zakwara ekpere ọ bụla nke Jisọs kpere, site na mgbe ahụ gaa n’iru, anụghị kwa ihe banyere esemokwu n’etiti ndị náesoụzọ Jisọs. Ha enweworị esemokwu n’etiti ha otù mgbe banyere onye mbụ gaanọdụ n’akụkụ Jisọs nime Alaeze Ya, ma mgbe edoro ha nsọ, anụghị kwa ihe banyere nsogbu ahụ ọzọ. N’akụkụ nke ọzọ, anyị gụrụ na mgbe ndị náesoụzọ Jisọs gbakọtara nime Ụlọelu ahụ n’ụbọchị Pentikọst, mgbe Chineke jikeere ịwụkwasị ha Mmụọ Nsọ iji nye ha ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, ha gosipụtara ihengosi zuruòkè na edowo ha nsọ, n’ihi na “ha nile we nọkọ n’otù ebe (n’otù obi)” (Ọlu Ndi-ozi 2:1). Odudonsọ naalụpụta n’ịdịn’otù. Ndị edoro nsọ na ibeha naadị n’otù, ha na Okwu Chineke naadị n’otù, ha na Atọnimeotù naadị kwa n’otù.

**Náánị Ndị orù.**

“Otú a unu onwe-unu kwa, mgbe ọ bula unu gēmesi ihe nile akaworo àkà nye unu, sinu, Ayi bu orù ndi nābagh n’ihe: ayi emewo ihe ayi ji ugwọ ime” (Luk 17:10). Pọl ahụghị ihe gaebute esemokwu maọbu ịkpá icheiche nime nzukọ ahụ dị na Kọrint n’ebe ndịisi ha nọ. “Ya mere onye nāku abugh ihe ọ bula, onye

nākwọsa miri abugh kwa ihe ọ bula; kama Chineke, Onye nēme ka ọ nāba uba, bu ihe nile." Ndịisi nke Nzukọ Kraist nwere ịdịn'otù na otùobi n'etiti onwe ha; ọ̀ bụ gịnị mere nzukọ ahụ ji achọ iweta nkewa maọbụ ịkpaókè n'etiti ha?

N'ezie, ndịozi na ndịndú nwere ọlu dịịrị ha ịlụ. Onyinye na ọkpụkpọ nke onyeozi ọ bụla pụrụ inwe ihe ntakịrị dị iche, ma dịka onyeozi ahụ naeji obi ya niile náalụọlụ, Onyenweanyị naahụ́ na mgbalị ya agbụghị n'efu. Otù nime ndịozi anyị nke ụbọchị taa gosipụtara eziokwu a: Mmiri nke Ndụ ahụ bụ ihe dị mkpà nye mkpụrụobi; ọ dịghị ihe dị iche dị n'ebe arịa nke esitere wụpụta ya nọ, ma eji ọlaọcha mee ya maọbụ na ọ bụ èbèlè (maọbụ ogiliụgbà).

Ndịozi ahụ abụghị ntọala nke okwukwe nke NdịKraist, ọ bụ ezie na ha bụ ngwaọlụ nke Chineke rọpụtara iji kpugheere ụwa Oziọma ahụ. Ọbụná Ndịozi nke mgbe ochie ahụ abụghị ihe ọ bụla n'onweha, n'ihi na ha apụghị ime ihe ọ bụla ka ọ gaa nkeọma ma ọ bụrụ na Chineke anọnyereghị ha, wee mee ka ọlụ ha naabaụba. Chineke naeji ọtụtụ mgwaọlụ náalụọlụ, náetinye ha n'ọnụdụ ahụ nke ha kwesịrị ịnọ. Pọl mere nkeọma n'ọlụ nke ịkụ Oziọma ahụ dịka mkpụrụ; Apọlọs sonyekwara dịka ngwaọlụ nke eji akwọsa mmiri; ma Chineke mere ka ọ naabaụba. Ọgan'iru nke ijéozi ahụ aghaghị isite ná ngọzi nke Chineke. Ndịozi ahụ nke naenwe ọgan'iru ha, wee náachọsi kwa ike ka Chineke nara otuto n'ihe niile ọ bụla nke emere ka ọ gaa nkeọma.

### Onyeisi Ọ̀kà Ahụ

Onyeozi ahụ rapụrụ ihe banyere onye ahụ nke náagha mkpụrụ wee welite okwu banyere Jisọs Kraist dịka Onye náánị Ya bu Ntọala ahụ nke aga náewukwasị n'elu ya, na NdịKraist n'otù n'otù dịka ndị náewu n'elu ntọala ahụ. N'elu Ntọala a ka ndịozi nke Kraist niile kwesịrị ntụkwasịobi náewukwasị. N'elu Óké Nkume a ka NdịKraist niile naenweta olileanya niile ha. Òzízí nke Onye nzọpụta anyị na arịrịọ Ya n'ihi anyị bụ isi òzízí nke Okpukpé nke NdịKraist, nke okwukwe anyị guzoro n'elu ya, bụrụ kwa ntọala nke Oziọma ahụ n'òzùzùòkè ya. Onyeozi ahụ kọwara onweya dịka "onye-isi-ọ̀kà nke mara ihe" bụ́ onye tọworo ntọala nke a nime obi nke NdịKraist niile no na Kọrint -- ọ bụghị n'ụdị na ọ bụ ya bụ onye maliteworo ntọala ahụ, kama ọ bụ náánị na ọ kwusaworị Jisọs Kraist n'obodo ahụ, Onye náánị Ya bụ ụzọ nke nzọpụta nye mmadụ. Ugbu a, ọbụrụwo ọlụ dịịrị ndị ahụ ịmara otú ha si ewu n'elu ntọala a. Ha amaliteworị iwu nkeọma, kama egwù tụrụ Onyeozi ahụ na ha ejiwo iheọlụ nke náekwesịghị wue ụfọdụ nime ụlọ ndị ahụ.

### Oge Mnwapụta

Ụfọdụ wukwasịrị n'elu ezi ntọala ahụ "ọla-edo, ọla-ọcha, nkume dị oké ọnụ." N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, ndịozi na NdịKraist nke ọgbakọ a naalụọlụ nke Chineke niile site n'obi ha dum, mkpụrụobi ha dum, uche ha dum na site kwa n'ike ha dum dịka ha naalụrụ Onyenweanyị. Ọ bụghị nááńị na ha "nēnye otù uzọ n'uzọ iri nke nkpa-akwukwọ nēsi ísì utọ na anise na cummin" dịka ndiFarisi naeme, kama ha naedebe kwa ihe ka aró n'iwu, bụ́ ikpé, na ebere, na okwukwe (Matiu 23:23). Ha adịghị ewezuga aka ha inye ụmụogbenye ihe ha nwere, dịka nwaokoro ọgaranya ahụ (Matiu 19:21). Ego ntà ikpeazụ nke ha nwere ka ha naenye kwa Onyenweanyị n'afọòfùfò (Mak 12:44). Ọ bụ ihe dị ebube na mmadụ pụrụ iji ihe nke ụwa a na àkụ̀ nke ụwa a lụọọlụ nye Onyenweanyị na Oziọma ahụ, náewu náánị n'elu ezi ntọala ahụ, Chineke gaakwụghachị ha site n'ideba aha ha nime akwụkwọ nke akụ ebighịebi Ya, náenye kwa onye ọ̀kà ahụ kwesịrịntụkwasịobi ụgwọọlụ nke náadị ebighịebi.

"Ọ buru na agērechapu ọlu onye ọ bula n'ọku, ọ gēyi íyì: ma agazọputa ya onwe-ya; ma ọ bụ dịka onye azọpụtara n'ọkụ." Amaokwu nke Akwụkwọnsọ a dị ka ọ naegosị na ọ bụghị mmadụ niile nwere otù ụdị ịnụọkụ n'obi ahụ dị ukwu banyere Oziọma. Ndị ahụ nọ n'ọgbakọ a naewu kwa n'elu ntọala ahụ, kama iheọlụ ha bụ "osisi, ahịhịa, okporo-ọkà." Azọpụtara ha, ma ha adịghị agbalịsịike ịhụ na azọpụtara ndịọzọ. Akụ̀ ha dị ukwu n'ihe nke ụwa karịa n'ihe nke Eluigwe. Obi ha pụrụ ijupụta n'ezi échìchè na ọchịchọ banyere ihe nke eluigwe, ma ha adịghị etinye échìchè na mkpebi ndịa n'ọlụ mgbe dum, maọbụ mee ka ha pụta ìhè n'ụzọ kwesịrịekwesị.

Ọkụ nke Chineke gaanwa kwa ọlụ nke mmadụ niile n'otù n'otù. Ọ dịghị ihe ọ bụla nke akpọrọ aha dị ka ọkụ nke "purgatory" n'ebe a dịka ụfọdụ mmadụ naekwu. Okwu ahụ n'ụzọ dị mfè naegosị ụzọ agaesi anwapụta ma mee kwa ka ọ pụta ìhè bụ́ ụdị ọlụ nke onye ọ bụla.

Ule ikpeazụ nke agaele Onye nke Kraist agaghị abụ iji chọpụta ka ihe ọ mụtara ra, kama otú o si lụọọlụ n'ikwesịntukwasịobi, na ụdị obi o ji lụọ ya ka agaeji nyeghachị ya ụgwọọlụ nke náadị ebighịebi. Ọkụ nke Chineke naekpughe ma naanwapụta kwa. Ọlaedo, ọlaọcha, na nkume dị ókéọnụ agaghị ebibi n'ụzọ ọ bụla, kama ha ga náenwu ọcha karịa site n'ịdị ọkụ nke ire ọkụ ahụ. N'ụzọ ọzọ, osisi, ahịhịa, na okporoọkà gaerechapụ n'iré ọkụ ahụ, nyụọ kwa, wee ghọọ ntụ. Ọlụ nke ụfọdụ mmadụ gaebibi wee laa n'iyi, ma nke

ndịọzọ gaeguzo. Ka mmadụ niile geentị n'Okwu nke Chineke, ma lụọ kwa ọlụ ka omume ha wee kwesị ịnata mkwụghachị nke ụgwọọlụ!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị bụ ụdị esemokwu nke dị nime nzukọ dị na Kọrint?

2 Gịnị mere esemokwu ji bụrụ ihe naezighịezi?

3 Gịnị bụ ọgwụgwọ nke Chineke nye esemokwu na ọchịchọ nke anụaarụ?

4 N'ụzọ dị añaa ka Pọl ji kpọọ onweya "onye-isi-ọ̀kà nke mara ihe"?

5 Gịnị bụ ntọala ahụ nke ewukwasịrị Nzukọ nke Ndị Kraist n'elu ya?

6 Òlee ndị bụ ndị áewu Nzukọ nke NdịKraist?

7 Gịnị bụ ụfọdụ nime ihe ndị ahụ nke eji ewu ụlọ?

8 Òlee ụzọ nke agaesi nwapụta ọlụ nke mmadụ ọ bụla?

9 Òlee otú ọ gaesi doo anyị anya n'otù n'otù na anyị gaenweta ụgwọọlụ nke náadị ebighịebi?